# IWU IRI AHỤ

## Ọpupu 20:1-17

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 61 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na edebezuwo iwu nile n'otù okwu, bú nka; Hu onye-agbata-obi-gi n'anya dika onwe-gi" (Ndi Galetia 5:14).**

**N'iru Ugwu ahụ nke Náakwụ Anwụ̀rụ̀ọkụ̀**

Oge hour ahụ mgbe Chineke gaje ịgwá Israel okwu abịawo. Óké anwụ̀rụ̀ọkụ na akwụsi ike n'ugwu ahụ nke náama jijiji, náemekwa mkpọtụ n'ihi ebube nke mpụtaìhè Chineke n'ebe ahụ. Àmụ̀mà naegbu site n'igweojii ahụ nke gbara ọchịchịrị; na ụ̀dà nke opiike náadasiike nke anaahụ̀ kwa nkeọma, náakpọ ndị ahụ, bịa nso ịnụrụ okwu niile nke Onye ahụ kachasị Ihe Niile Elu.

Ọ dịghị mgbe ọ bụla na mbụ maọbụ site na mgbe ahụ nke anụrụ okwu Chineke n'ụzọ dị otú a, mgbe Chineke n'Onweya rịdatara ịgwa nzukọ okwu. Ha ahụwo ọlụ niile nke aka Ya abụọ ma ọ dịghị mgbe ha hụrụ ụdị mpụtaìhè Ya n'ụzọ dị otú a. Jehova si n'elu ugwu ahụ gwa Moses na Eron okwu ka ha rịgota. Ha niile nụrụ olu Chineke, ọ bụ ezie na ha ahụghị Ụdị ya.

Chineke malitere site n'ikwu, "Mu onwem bu JEHOVA Chineke-gi, Onye mere ka i si n'ala Ijipt, n'ulo ndi-orù puta." Anyị gaeche n'ezie na ndị Israel mara nke a, ma ha naechefu ngwangwa nke mere na Chineke naechetara ha mgbe niile na Ya Onweya bu Chineke ha. Ha bụ̀ ndị nke Ya n'ihi ọ̀gbụ̀gbàndụ dị icheiche nke Ya na ndị bụ́ nna ha gbara site n'Abraham.

Chineke chọrọ ka ndị nke Ya náerubere Ya isi, n'ihi na ha hụrụ Ya n'anya; ma Ọ chọkwara ka ha hụ otú Ya Onweya si dị ike, ka ha wee tụọ egwù ịnupụrụ Ya isi; n'ihi nke a mere eji nwee óké mkpọtụ ahụ na ọkụ ahụ na anwụ̀rụ̀ọkụ.

Okwu ahụ niile nke Jehova kwuru ná ntị ndị ahụ niile ka amara dịka Iwu Iri ahụ, maọbụ ihe enyere n'Iwu (Deuteronomi 4:13). Otú ọ dị, ọ dị ihe ọzọ dị n'ihe ahụ enyere n'Iwu karịa Iwu Iri ahụ, dịka anyị gaamụ̀ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a n'oge náabịa.

**Ọ dị ghị Chi Ọzọ**

"Gi enwela chi ọzọ tiyerem." Nke a bu iwu mbụ nke Chineke nyere, ọ dị mkpà nke ukwuu. Ụmụ Israel gaje ịbà n'ala ahụ ebe ndị bi nime ya naefè ụdị arụsị dị icheiche na chi ụgha dị icheiche, nke mere na Jehova naadọ ha akanántị na ọ dịghị mgbe ọ bụla ha gaewere omenaala nke ndị obodo ahụ. Ọ gwara ha na Ya Onweya bụ Chineke ekworo, na Ya agaghị achọ inwe chi ọzọ tinyere Onweya.

Ndị Israel ahụwo ihe mere chi ahụ niile nke ndị Israel chere na ha bụ chị, na otú o si bụrụ ihe nzuzu ifè ha. Mgbe iheotiti ahụ niile bịakwasịrị ndị Ijipt, ọ dịghị ike ọ bụla chi ha niile nwere. Ndị Ijipt naefè Osimiri Nail, emere ka ọ ghọọ ọbara wee bụrụ ihe ọ náadịghị ihe agaeji ya mee oge olenaole. Ha naeche na otù nime chi ha naapụta n'ụdị ehi, ma mgbe Chineke zigaara ọrịa n'elu anụmanụ, ọbụná ehi ndị ahụ "di nsọ" nwụrụ. Ha naefè chi anyanwụ, ma mgbe Chineke zitere ọchịchịrị n'elu ala ahụ ụbọchị atọ, chi ha ahụ apụghị inye ha ìhè n'ụlọ ha niile. Mmadụ nwereike ichè na Ụmụ Israel gaamatawọrị otú o si bụrụ ihe nzuzu ifè ihe dị otú a ma nime obi ha, ha nwere agụụ ichigharịkuru ihe ahụ ha chere na ọ dị mfé karị ezi okpukpé, nke a mere ka Chineke dọọ ha akanántị, "Gi enwela chi ọzọ tiyerem." Náagbanyeghị ihe ndịa niile anyị gaahụ́ na n'oge náadịghị anya mgbe enyere iwu ahụ ha wee kpụọ nwaehi ọlaedo ifè ya òfùfè. N'ezie ha bụ ndị náenweghị obiekele.

**Nlaghachi Àzụ̀ nke Ndị Israel**

Mgbe Ụmụ Israel nụrụ ka Chineke naagwa ha okwu site n'elu ugwu ahụ ha laghachiriàzụ̀. Ha naatụ̀ egwù, ha wee gwa Moses ka ọ rịgoo ka Chineke gwa náání ya okwu, n'ihi na ha maara nkeọma na ha gaanwụ ma ọ bụrụ na Chineke agwa ha okwu. Ọ bụrụ na mmehie adịghị nime ha, egwù Jehova agaghị atụ̀ ha. Onye mmehie naatụ̀ egwù maka ikpé Chineke ma mgbe agbaghaara ya mmehie ya, ọ naahụ́ Chineke n'anya; egwù ọ naatụ̀ bụ náání ka ọ ghara ime ihe naadịghị Chineke mma.

**Ịma Iheọma na Iheọjọọ**

Ndị ahụ maara iheọma na iheọjọọ tupu enye Iwu ahụ. Okwu ásị̀ mbụ ahụ ekwuru n'Ubi Iden agbara ogige mere ka Adam na Iv baa ná nsogbu dị ukwuu, ha wee mara na ọ dịghị mma ikwuokwu ásị̀. Adam na Iv matakwara na Chineke chọrọ ọnọdụ mbụ nime obi ha, na Ọ chọkwara nrubeisi ha, n'ihi na ngwangwa ha nupụụrụ Ya isi, ha wee jee zoo onweha. Ken matara na igbu mmadụ bụ ihe jọrọnjọ mgbe o gbusịrị nwanne ya, Ebel, na mgbe mmehie nke oge, n'ihi na ọ gbapụrụ ka o wee ghara ịhụ́ ahụhụ.

**Iwu Ahụ bụ Onyinyo**

Ma ugbu a, anyị gaekwu na Chineke naesere ndị ahụ onyinyo; Ọ naedepụta usoro nke omume Ya n'ụdị ha pụrụ iji anya ha wee hụ́ ya. Eleghịanya, mmehie ha gaadị ukwuu nke mere na ha agaghị anụ kwa olu nke akọnauche; nke a mere ka edeere ha iwu ahụ ná mbadamba nkume iji chetara ha maka uche Chineke.

Jisọs kuziri na ịhụn'anya bụ mmezu nke Iwu ahụ. Ọ bụrụ na anyị hụrụ Chineke n'anya otú anyị kwesịrị ịhụ́ ya, ghara inwe chi ọzọ tinyere Ya, ịhụn'anya ahụ gaachị omume anyị niile. Ọ bụrụ na anyị ewere obi anyị niile hụ́ Chineke n'anya, anyị gaahụ́ onye agbataobi anyị n'anya; maọbụrụ kwa na anyị ahụ onye agbataobi anyị n'anya, anyị agaghị ezù ya ori, anyị agaghị ekwuokwu ásị̀ banyere ya maọbụ gwa ya okwu ásị̀, maọbụ chọọ ihe nkeaka ya. Mgbe ịhụn'anya ahụ dị kwa nime obi anyị, anyị agaghị akpọ onye ọ bụla ásị̀ nke pụtara, na anyị agaghị egbu ya.

**Azọpụtara site n'Okwukwe**

Ma mmadụ apụghị idebe Iwu ahụ site n'ike nke aka ya n'oge ahụ, maọbụ n'ugbu a. Pọl sịrị "Ebe ayi matara na agugh madu n'onye ezi-omume site n'ọlu di iche iche nke iwu, ma ọ bu nání okwukwe ekwere na Jisus Kraist ka eji gu madu n'onye ezi-omume" (Ndi Galetia 2:16). Ọ bụ okwukwe nime Kraist, ọbụná n'oge Moses bụ ihe náazọpụta mmadụ wee náenye kwa ha ike ime ihe enyere n'Iwu. Mgbe mmadụ mbụ mehiere, ekwere mkwà nke Onyenzọpụta ahụ: "Aga agọzi kwa agburu nile nke uwa nime gi" (Jenesis 12:3). Azọpụtara ndị Israel site n'iji okwukwe náeleanya n'iru Ọbara ahụ nke Jisọs wụsịrị.

**Oge nke "Dị Mma Karị a"**

Mmadụ ụfọdụ kwere na ọ bụ náání ndị Israel ka enyere iwu ahụ, ma ihe Chineke nyere ha bụ ihe enyere ka ọ dịgide rue ọgwụgwụ ka ọ gaabụ ma emesịa agaenye ya "agburu nile nke uwa" (Jenesis 12:3). Ya mere "na ewere okwu si n'ọnu Chineke puta nye ha n'aka ná ntukwasi-obi" (Ndi Rom 3:2). Anyị kwuru na ndị ahụ maara iheọma na iheọjọọ tupu enye Iwu Iri ahụ, ụkpụrụ niile nke dị nime ya nọgidere mgbe Kraist "mezusiri" Iwu ahụ. N'Akwụkwọ Ndi Hibru, anyị naahụ́ otú Pọl si were ogologo oge náeji ihe dị n'okpuru Iwu náatụnyere oge nke amara, mgbe Jisọs bịasịrị. Okwu kachasị mkpà n'Akwụkwọ ahụ bụ "dị mma karịa." Anyị ji oge nke Iwu tụnyere ọnwa nke náenye ìhè n'abalị, ma ọ náefunarị, ghọọ ihe náadịghị mkpà mgbe chi bọrọ, anyanwụ ewee pụta. Ọ bụrụ na ọnwa ahụ ka nọ na mbaraigwe n'ụtụtụ, anyị gaahụ́ ya ma ọ bụrụ na anyị elegide ya anya; kama ìhè nke ọnwa ahụ enweghị ike ọ bụla n'ebe anyanwụ náachasiike maọbụ "dị mma karịa" nọ.

Otú ahụ ka ọ dị kwa, mgbe anyị bịakutere Kraist wee kwee ka Ọbara Ya sachapụ mmehie anyị niile, amara Ọ naenye anyị iji náebiri Ya ndụ naadị ukwuu nke mere na anyị adịghị esogbu onweanyị banyere idebe Iwu ahụ. Enyere Iwu ahụ iji gwa ndị mmehie ihe dị mma na nke dị njọ; ma onye Kraist nke nwere Kraist ná ndụ ya, nwere Mmụọ ahụ nime ya nke gaedebe mkpụrụ okwu nke Iwu ahụ karịa (I Timọti 1:9).

Ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii n'oge nke Jisọs naakpachapụ anya idebe usoro nke Iwu ahụ, ma Jisọs gwara ndị ahụ nke chọrọ ịbụ ndị náesoụzọ Ya, "Ọ buru na ezi omume unu adigh akari ezi-omume ndi-ode-akwukwọ na ndi Farisii nke ukuu, unu agagh aba n'ala-eze elu-igwe ma-ọli" (Matiu 5:20). Ọ bụ mmụọ nke dị nime onyeKraist ka Jisọs naekwusi okwu ike banyere ya. Iwu ahụ sịrị, "Gi egbula madu," ya mere na ndị Farisii naakpachapụ anya ka ha ghara igbu mmadụ; ma Jisọs sịrị na ọ bụrụ na onye ọ bụla akpọ nwanne ya asị, ikpè mara ya n'iru Chineke, dịka agaasị na o gbuwo yarịị. Ma ọbụghị na azọpụtara mmadụ, ọ gaghị enwe ike isi n'ịkpọasị wezuga onweya; ma Jisọs naewepụ mmụọ nke ịkpọasị ahụ, mgbe mmadụ ghọrọ OnyeKraist, wee tinye ịhụn'anya Ya n'ebe ahụ. N'otù aka ahụ kwa, Jisọs weliri ihe niile ọzọ enyere n'iwu wee gosi ha na ihe mmadụ bu n'uche n'ime ihe ahụ dị njọ dịka mgbe emebiri Iwu ahụ nke naasị "Gi enwela anya-uku," "Gi akwala iko." Na iwu ndịọzọ (Lee Matiu 5).

**Nke Chineke Kwenyere**

OnyeKraist na achọ ịma uche Chineke, ọ naamụ ihe niile edere na Baịbụl nkeọma, iji bie ndụ nke gaatọ Ya ụtọ. Mgbe azọpụtara mmadụ, onye ahụ agbanarịbeghị ihe egwù nke ndaghachiàzụ̀; ọ bụrụ na ọ dịghị agụ Okwu Chineke, mgbe náadịghị anya, ọ gaekwe ka Setan dughachi ya nime mmehie. Anyị aghaghị ịgbalịsiike ịmụ iheọ̀mụ̀mụ̀ ịmata ihe bụ uche Chineke, ka anyị wee bụrụ ndị ọlụ ihere náapụghị ime (2 Timọti 2:15). "Ihe ọ bula edeworo n'akwukwọ nsọ bu ihe si n'obi Chineke puta, ọ ba-kwa-ra urù iji zi ihe, na iji zuputa nzuputa nke di n'ezi-omume: ka onye nke Chineke wee zue òkè, onye emeworo ka o zue òkè ilu ezi ọlu nile ọ bula" (2 Timọti 3:16, 17).

**Ịchụàjà Dị Icheiche nke Testament Ochie**

Jisọs sịrị: "Unu echela na abiaram imebi iwu Chineke ma-ọbu ndi-amuma-Ya: abiaghm imebi kama imezu ya" (Matiu 5:17). Ọbara niile awụsịworo site n'ịchụàjà dị icheiche, ememe niile nke ụlọukwu Chineke bụ́ nke ndị Israel meworo dịka ụfọdụ nime Iwu ahụ, naatụ̀ aka n'otù ụzọ maọbụ n'ụzọ ọzọ, ihe banyere oge ahụ mgbe Jisọs gaabịa ịwụsị Ọbara Ya n'ihi nzọpụta anyị. Ihe a niile bụ ihe ngosi nke ihe nke mmụọ, ụdị ihe nke eluigwe gaje ịbịa.

Mgbe Jisọs nwụrụ na Kalvarị, O mezuwo ihe niile edere n'iwu banyere ịchụàjà, ọ dịkwaghị mkpà ọzọ na ndị Ju ganaedebe ha. Anyị nụrụ na Jisọs bụ Nwaatụrụ Ngabiga anyị (Iheọ̀mụ̀mụ̀ 56), ya mere ọ dịkwaghị mkpà na ndị Ju gaegbu nwaatụrụ rie kwa ya n'oge Ngabiga ahụ mgbe Ọ wusaworo ọbara Ya. Ndị ahụ nke náedebe Ngabiga ahụ taa naetufu oge ha, n'ihi na ememe ha niile adịghị atọ kwa Chineke ụtọ, bụ́ nke náadịghị emezu ọbụná mkpụrụ akwụkwọ nke ihe niile ahụ enyere n'iwu na Testament Ochie.

Anyị gaamụ ọtụtụ ihe nime iheọ̀mụ̀mụ̀ nke dị n'iru banyere òfùfè nke ụlọikwuu na ịchụàjà dị icheiche na ememe niile nke náatụ̀ Jisọs aka, bụ́ ihe ndịa niile nke O mezuru ná ndụ Ya, ọnwụ Ya na nrịgo n'Eluigwe Ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ebe enyere iwu ahụ? N'ihi gịnị?
2. Ònye nụrụ mgbe Chineke naekwuokwu?
3. Gịnị mere ndị ahụ ji laghachiàzụ̀?
4. Gụọ Iwu Iri ahụ.
5. Òlee otú oge ọhụụ ahụ ji dị ukwuu karịa oge ochie?
6. Òlee otú esi azọpụta anyị?